# OGE IKPE-AZỤ

**I Timọti 4:1-9; II Timọti 3: 1-7.**

**IHE-Ọ̀MỤ̀MỤ̀ 414**

**Nke Ndi-etiti**

**AMA-OKWU IBU N'ISI: ''Ma mara nka, na oge di oké egwu gābia na mgbe ikpe-azụ'' ( II Timọti 3:1).**

### Ịbị aghachi Ọzọ

Jisọs kuziri ndi na eso ụzọ Ya na Ya ga-abịaghachị n'ụwa ọzọ. O kwuru sị '' Anamaga idoziri unu ebe. Ọ bụrụ kwa na Mu aga idoziri unu ebe, agajem ibia ọzọ, M'gānara kwa unu nye Onwem; ka unu onwe-unu we nọ kwa ebe Mu onwem nọ.'' (Jọn 14: 2,3). Ọ di nkwa ọzọ banyere, ọbịbịa nke ugbò abụa nke Jisọs nke edere nime Akwụkwọ Ọlụ Ndi Ozi. Mgbe Jisọs na-agwa ha okwu, ''mgbe ha nēle anya, ewe welie Ya elu, igwe-oji we nara Ya, Ọ pụa n'anya ha'' (Ọlụ Ndi-ozi 1:9). Jisọs rigoro n'Elu-igwe ma mgbe ha na-elegide anya n'Elu-igwe ka Ọ na-apụ n'anya ha, ndikom abụa yiri uwe ọcha wee guzo ha nso na-ekwu kwa sị, ''Jisọs nka, onye anapuru n'ebe unu nọ rigo n'Elu-igwe, gābia n'otù aka ahụ dịka unu kiriri Ya ka Ọ nāga n'Elu-igwe'' (Ọlụ Ndi-ozi 1:11). Nkwa nile ndia maka ọbịbịa Jisọs bụ olili-anya nke ndi Kraist nile. Olile-anya ahụ na-eme ka ha na-eche nche na-ekpe kwa ekpere. Olile-anya nke ọbịbịa Jịsọs na-agba ha ume ijikere maka ụbọchị ahụ mgbe Jisọs ga-abịa ịkpọrọ Nwunye ana-alụ ọhụ Ya nọ na-echere-Ya.

### Ụbọchị Ikpe-Azụ

N'ọtụtụ ebe nime Baịbụl ka ekwuru okwu banyere ''ụbọchị ikpe-azụ'', nke pụtara ụbọchị nke na-esote ụbọchị nke ọbịbịa Jisọs n'azụ. Otù oge ndi na-eso ụzọ Jisọs jụrụ Ya sị, Gịnị gābụ kwa ihe iriba-ama nke ọbịbia-Gị, na nke ọgwụgwụ oge a?'' (Matiu 24:3). Jisọs gwara ha ọtụtụ ihe nke ga-eme: ọtụtụ madụ ka ndi amụma ụgha ga-eduhie; ịhụ mmehie na-anya ga-aba ụba karịa; aga-akpọ ndi Kraist asị n'ihi aha Jisọs; ọtụtụ ga-atufu ịhụ Chineke n'anya n'obi-ha. Jisọs kwu-kwara ọtụtụ ihe iriba-ama ọzọ banyere ọbịbịa-Ya ma O tinye-kwara sị: ''Ma onye were ntachi-obi nọgide rue ọgwụgwụ ihe nile, onye ahụ ka agazọpụta'' (Matiu 24:13).

### Oge Dị Oké Egwu

Ọ bụghị ihe iju anya na Pọl dere Timọti na oge dị oké egwu ga-abịa na mgbe ikpe-azụ. Ọ gara n'iru na-ekwu na ụbọchị ikpe-azụ ga ejupụta n'ihe egwu na ihe ike. Timọti bụ nwa-okorobịa nke bụ onye Ukọ-Chukwu ma Pọl chọrọ inyere ya na ndi Kraist ọzọ aka. Ana ekwu sị na onye adọrọ aka na ntị bụ onye ejikeworo ejike-iburu ụzọ mara ihe bụ inye madụ ahụ oghere ijikere. Pọl ekwughị sị na ya matara ụfọdụ ihe ndi ga-eme n'ụbọchị ikpe-azụ, o kwughị-kwa si na ya chere na ihe ndia ga-eme. Pọl kwuwara okwu si na ''Mọ Nsọ nēkwu'' banyere ọnọdụ nke ọgwụgwụ ụbọchị'' ndia. Gịnị bụ MụọNsọ? Baịbụl na-ekwu sị; ''Ọ bụ kwa Mọ Nsọ bụ onye nāgba ama, n'ihi na Mọ ahụ bụ ezi-okwu'' (I Jọn 5:7)

### Nduhie

Mụọ nsọ kpaliri Pọl n'okwu ịdọ aka na ntị sị na Ekwensu ga-eji okwu nduhie—okwu ọnwụnwa na nduhie nile bịa. Ọ dị mma ịmata okwu Chineke ka aghara iduhie ayị. Mgbe ọ bụla madụ na-ebi ndụ ịsọpụrụ Chineke ọ dịghị egwu o nwere banyere nduhie. ''Nsọpụrụ Chineke bara uru nye ihe nile, ebe ọ nwere nkwa nke ndụ, ma nke ndụ ugbu a, ma nke gaje ịbia.'' Ndi Kraist nile kwesịrị ibi ndụ ịsọpụrụ Chineke – mgbe ahụ ka ha ga-enwe ihe-nchebe megide nduhie nke Ekwensu. Ọtụtụ mgbe Ekwensu na-anwa madụ ọbụná site n'ịgwà ya sị na ọ dịghi mkpa ịgụ Baịbụl kwa ụbọchi nile ma-ọbụ ikpe ekpere ri-nne. Onye iro ayị matara na ike nke onye Kraist na-esi n'ebe Jehova nọ bịa site n'ịgụ okwu Chineke na ikpe ekpere nke okwukwe. N'ụbọchị nke Ụmụ Isreal, eze-ha bụ Jeroboam kwuru sị, ''unu arigozuwo Jerusalem'' (I Ndi-Eze 12:28) ije fee òfùfè. N'ọnọdụ ifè òfùfè n'ebe Chineke gwara ha, eze rọpụta ebe ọhụ dị iche iche, na oriri ọhụ nile ''nke o cheputara n'obi-ya'' ''dịka oriri ahụ'' nke Jehova chọrọ. Nka we bụrụ mmehie, Chineke zigakwara amam-ikpe nye eze ahụ: aka ya we ''kponwua, nke mere na o nweghi kwa ike iseghachi aka-ya rue aru-ya. Ikpe Chineke dakwasi-kwara ebe ichu-aja ahu: agbọwa kwa-ra ebe-ichu-aja ahụ, ewe si n'ebe-ichu-aja wusi ntu'' (I Ndi-Eze 13:4,5). Ụmụ Isreal kwesịrị irubere Chineke isi karị eze-ha. Were okwu nile

nke madụ tunyere Baịbụl, ma-ọbụrụ na okwu nke madụ akụzighị otù ihe ahụ dịka Baịbụl, lezie anya ka aghara ịdọkpụfụ gi site n'ebe Chineke nọ. Ụzọ dị nke ziri ezi n'iru madụ, ma nsọtụ-ya bụ ụzọ nile nke ọnwụ (Ilu 14:12, 16:25).

**Onye Okpukpe**

Ana-adọ ayị aka na ntị ka ayị gbakụta ha azụ bụ ''ndi nēnwe udi nsọpụrụ-Chineke, ma ha agọwo ike-ya''. Ọtụtụ dị bụ ndi nwere okpukpe-Chineke ma ha enweghị Jisọs n'obi-ha, ya mere ha apụghị ibi ndụ dịka Ya. N'Ozi-ọma Jọn 1:12 ayị na-agụ; ''Ma ka ha ra, bú ndi nara Ya, ha ka O nyere ike ighọ umu Chineke, bú ndi kwere n'aha-Ya. Onye-nwe-ayị ga-enye onye ahụ ike ibi ndụ nye-Ya na ibi ndụ na enweghị mmehie. Nime Ozi-ọma Jọn 8:34 ayị na-agụ,''Onye ọ bụla nke nemehie bu orù mmehie,'' Onye ọ bụla nke na-eme mmehie abụghị nwa Chineke kama o sitere n'ekwensu pụta, n'ihi na ''onye ọ bụla nke amuworo site na Chineke adigh-eme mmehie.'' (I Jọn 3: 8,9).

**Ndaghachi Azụ**

N'oge ikpe azụ ''ụfọdụ gēwezuga onwe-ha n'ebe okwukwe-ayị di'' -- ụfọdụ nime ndi hụworo Onye-nwe-ayị n'anya ma soro kwa Ya agaghị eso-kwa Ya ọzọ. Jisọs kwuru sị: ''N'ihi na ihe nēmebi iwu gāba ụba, ihu-n'anya nke ndi ka n'etiti madụ gājụ kwa oyi'' (Matiu 24:12). Otù mmehie ga-akpa oke n'etiti madụ ahụ na Chineke ma ọ bụghị ma onye ahụ kwupụtara mmehie ahụ Chineke ewee gbaghara ya, onye ahụ ga anọgide na ndaghachi azụ site n'isoro Chineke. Ekwensu na-agwa onye ndahie ahụ ka ọ na-aga n'iru dịka ọ dị, n'ihi na ọ dịghị onye ọ bụla ga-amata, na-agwa kwa ya sị na ụmụ madụ ga-achị ya ọchị ma ọ bụrụ na o kwere sị na ya emewo ihe ọjọ. Ụbọchị ikpe-azụ bụ ụbọchi ọjọ. Madụ aghaghị ige ntị n'olu Chineke ma mmehie kwa ntị ya ige olu Ekwensu.

**Akọ Na-uche**

Onye ahụ nke ''siworo na okwukwe ayi dapu'' nwere nrọrọ abụa. O nwere oghere icheghari, rapụ ụzọ ọjọ ya nile, wee laghachikuru Jehova, onye ga-enwe-kwa obi ebere n'arụ ya ''wee gbaghara kwa ya mmehie-ya n'ụba'' (Aisaia 55:7). Dika onye mmehie ọ bụla, ọ pụrụ ịbịakute Jehova mgbe ahụ o mehiere, ewezugara ezi-omume ya, ọnwụ nke ebighi-ebi we dịrị n'elu isi ya (Ezikiel 18:24). Nime Akwụkwọ Amụ̀mà Ezikiel 18:20, ayị na-agụ ''Nkpuru-obi ahụ nke nēmehie ya onwe-ya gānwu'', ma ayị na-agụ kwa na-aga n'iru wee mụta na ọ dịghị atọ Jehova ụtọ bụ ọnwụ nke onye na-emebi iwu kama Ọ na-achọ ka ''o si n'ụzọ-ya chigharia, we di ndụ'' (Ezikiel 18:23). Nrọrọ ọzọ nke onye ahụ dapụrụ n'amara nwere bụ ịga n'iru nime mmehie, wee nọrọ n'ebe dị anya n'ebe Jehova nọ, na-enweghị olile-anya ma-ọbụ udo. Akọ-na-uche onye ahụ ga-abụ kwa nke mechisiri-ike na añaghị ntị n'olu nke Mụọ Chineke. Ị marawo otù akọ-na-uche gị sị na-agwa gị na ịkwesịrị ikpe ekpere, ma-ọbụrụ na ịgeghị ntị n'olu a, ị gana-aga n'iru rue mgbe njehie-gị na-agaghị ewuta gị ọzọ ị wee chezọ ikpe ekpere-- ị gaghị enwe kwa ike ọzọ kama ịga adanye nime ọnwụnwa. Madụ ọ bụla ga-akpachapụ anya ka akọ-na-uche ya wee ghara imechi—mgbe ọ na-apụghị inwe nwute n'ihi ihe ọjọ nke o mere, mgbe ọ na-agaghị enwe kwa ọñụ ma ọbụrụ na Chineke na-agwa ya okwu banyere nnupu-isi-ya, mgbe ọ na apụghị itụgharị uche ma ndụ-ya ọ nā adị Chineke ezi-ụtọ

**Ihe-Iriba-ama**

Ayị matara na ayị nọ n'ụbọchị ikpe-azụ. Pọl kọwara ụzọ ọtụtụ madụ ga-esi ebi ndụ n'ogwụgwụ ụbọchị ndia. Ha ga-abụ ndi na-ahụ nanị onwe-ha n'anya; ọ bụ kwa otú a ka ndi karịrị n'etiti madụ si ebi ndụ taa. Ha ga-abụ ndi na anya isi; taa ọbụ ihe ayị na-ahụ. Ha ga-abụ ndi na-arara madụ nye n'aka ndi-iro-ha; taa ọna-esi-ike itụkwasị ụfọdụ madụ obi, ọbụná ma-asị na edere nkwa-ha na akwụkwọ. Ha ga-abụ ndi na-ekwenyereghị ndi mụrụ ha; taa ọbụ ihe-amatara nke-ọma na ọtụtụ ụmụ aka adịghị asọpụrụ onye ọ bụla. Ha ga-abụ ndi na-enweghị ekele; taa ayị na-ahụ na ọbụ madụ ole na ole na ekele Chineke ma ọbụ madụ ọ bụla maka ngọzi na ihe ọma nile emere ha. Ha ga-abụ ndi na-ahụ ihe ụtọ nke ụwa n'anya kama ịhụ Chineke n'anya; n'ụbọchị taa ụmụ madụ na-achọ ihe ụtọ mgbe nile karịa ịchọ iru Chineke. Ha ga-abụ ''ndi namụ ihe mgbe nile ma ha apụghị ịbịaru imazu ezi-okwu mgbe ọbụla''. N'ụbọchị taa enwere ọtụtụ akwụkwọ dị iche na ulo akwụkwọ dị iche karịa oge ọ bụla gara aga; ụmụ madụ nwere oghere ịmụ akwụkwọ ma dịka ndi madụ na-amụ akwụkwọ na-aba ụba, ha na adị n'ebe dị anya inwe mmazu nke Chineke.

**Ọgwụgwụ Nke Oge**

Jisọs nyere ayị ọtụtụ ihe-iriba-ama nke ọgwụgwụ ụbọchị ndi a, ihe ndi ahụ nile emezuwo kwa. Ọ sịrị: " Unu gāje inu okwu agha di iche iche na akukọ agha di iche iche:.. ma ọgwụgwụ ihe nile akē-rug'' (Matiu 24:6). Ọ sịrị : " Oké unwu, na ahụhụ di iche iche na ala-ọma jijiji gādi kwa.... Ma ihe ndia nile bụ nmalite ihe-ngbu'' (Matiu 24:7,8). Jisọs kwuru sị: " Agēkwusa kwa Ozi Ọma nka nke ala-eze elu-igwe n'elu-ụwa dum madụ bi, ka ọ bụrụ àmà nye mba nile; mgbe ahụ ka ọgwụgwụ ihe nile gēru kwa'' (Matiu 24:14). Mba nile enwewo ndi ozi Kraist ikuziri ndi madụ Ozi Ọma .. Tibet bụ obodo ikpe-azụ nke nyere ndi ozi nke Kraist oghere ibata n'obodo ha. Ọtụtụ amụma banyere ndi Juemezuwo kwa. " Mgbe ahụ ka ọgwụgwụ ihe nile gēru kwa". Ọgwụgwụ ụbọchị ndia pụrụ ịbụrụ madụ ụfọdụ ihe itu egwu ma ọ ga-abụ oge dị ebube nye onye Kraist n'ihi na ọ matara na Jisọs na-abịa nso-nso. Mkpụrụ ụbọchị ole-na-ole ka ọ fọdụrụ ìjè ijé nke okwukwe!Nanị ụbọchị ole-na-ole ka ọ fọdụrụ ijere Ya ozi! Nanị ụbọchị ole-na-ole ka ọ fọdụrụ ayị iji jikere maka ọbịbịa Ya na iji rita kwa ukwu ọka ụfọdụ nke aga atọgbọ n'ụkwụ nsọ Ya! Ọ̀ bụ ụbọchị dị egwu ka ọ bụ ụbọchị dị ebube? Ị̀ na-ele anya Jisọs? Nime Ndi Hibru 9:28 ayị na-agụ " Ọ gēme kwa ka ndi nēche Ya hu Ya anya nke ugbo abụa, ma nmehie adigh ya, ka ewe zọpụta ha".

**AJỤJỤ**

1. Ọ̀nye dere Timoti nke mbụ na nke abụa?
2. Ọ̀nye bụ Timoti?
3. Gịnị ka ụbọchị ikpe-azụ pụtara?
4. Kwue akụkụ ebe dị iche iche nime Akwụkwọ Nsọ nke na-ekwupụta ọbịbia nke ugbò abụa nke Jisọs
5. Kpọọ aha ụfọdụ ihe ndi na-egosi ụbọchị ikpe-azụ
6. Gịnị ka Jisọs kwuru banyere oge nke ọgwụgwụ ụbọchị?
7. Gịnị ka ọ pụtara bụ "idapụ n'okwukwe ayị"?
8. Òlee otú akọ-na-uche madụ si ama etili?
9. Òlee ụzọ madụ ga-esi mata na ya bụ nwa Chineke?
10. Mezue okwua: " Ma onye were ntachi-obi nọgide rue ọgwụgwụ ..... (Matiu 24:13).